# NKỤZI NA ỌMỤMỤ AGỤMAGỤ EDEREDE : DỊKA ỤZỌ E SI AKWALITE ASỤSỤ NA OMENAALA IGBO

NKE

`

**Dr Oluchi Eugenia Nebolisa**
**Alvan Ikoku Federal University Of Education, Owerri, Imo State**
**Department Of Linguistics And Nigerian Languages**
**Phone No: 08067998641**
**E-Mail:Oluchinebolisa65@ Gmail.Com.**

## Ụmị Edemede

*Nchọcha a lebara anya n'Agụmagụ Ederede dịka Ụzọ E si Akwalite Asụsụ na Omenaala Igbo. Usoro a gbasoro mee nchọcha bụ usoro sọvee. Atụtụ nchọcha a bụ atụtụ nke Vygotsky wepụtara gbasara nkuzi na ọmụmụ. . Nsogbu asụsụ Igbo nwere taa sitere n'aka ndị Igbo n'onwe ha. Ndị nkuzi n'ụlọakwụkwọ bụ ndị so nwere asụsụ na omenaala Igbo gbahapụrụ asụsụ na omenaala Igbo, were asụsụ Bekee na-eme nkuzi na ọmụmụ. N'agbanyeghị na gọọmenti emeela ka ọ bụrụ iwu iji olu nne na-akuzi ihe n'ogo mmụta nke ọtakara, praịmarị na jụnịọ sekọndiri tupu asụsụ Bekee. Asụsụ na omenaala Igbo wee nọdụ ka ọbịa n'ala Igbo. Agụmagụ ga-enye asụsụ na omenaala Igbo nchekwa zuru oke ma ọ bụrụ na e were agụmagụ wee mụọ asụsụ na omenaala Igbo. E lebara anya n'ihe ndị a: nkọwa ihe bụ agụmagụ, asụsụ na omenaala, mmetuta dị n'etiti agụmagụ, asụsụ na omenaala Igbo, ihe butere enweghị mmasị ndị Igbo n'ebe asụsụ na omenaala Igbo dị, uru agụmagụ baara nkuzi na ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo, usoro e si eji agụmagụ kuzie ma mụọ asụsụ na omenaala Igbo n'ogo dị iche iche nke mmụta na ihe ọjọọ na-apụta n'ejighị asụsụ na omenaala Igbo akuziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ. E nyere ntuziaka na isite n'agụmagụ mụọ asụsụ na omenaala Igbo ga-atụlite mmasi ụmụakwụkwọ n'ebe asụsụ na omenaala Igbo dị. Ọ ga-emekwa ka asụsụ na omenaala Igbo gbanye ezi mgbọrọgwụ n'ala Igbo.*

## Mkpọlite

Agụmagụ abụghị ọbịara ọhụrụ n'ala Igbo. Ọ bụ ihe ya na Igbo so bido, mana ihe dị iche bụ na ọ bụ agụmagụ ọnụ ka e nwere tupu ọbibịa ndị ọcha. Ọ bụ ndị ọcha bụ ndị kuziiri anyị etu e si ewere agụmagụ ọnụ a tinye ya n'ụdị ederede. Agụmagụ ederede nwere ngalagba atọ: Abụ, Iduuazi na Ejije. Chinagọrọm (2013) kọwara agụmagụ ederede dịka nke e jiri asụsụ chọọ mma, nke na-enye ọgụụ maọbụ ọnụụ obi aṅụrị pụrụ iche. Ọ gakwara n'ihu si na agụmagụ anaghị akwụrụ chịm maọbụ chakee achakee ma ọ bụrụ na a gbasoghị usoro asụsụ dị mma na itinye ya n'ọnọdụ o kwesịrị. Nke a pụtara na o nwere iwu ndị a tụrụ anya na onye ọbụla na-ede agụmagụ ga-edobe. Nebolisa (2015:18) kwuru na "ndị Igbo na-esite n'agụmagụ ederede ha na-egosipụta ebumnobi ha nakwa echiche ha gbasara ụwa". Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo nwe. Ya ka ha ji eme omenaala, azụ ahịa, arụ ọrụ, emekọrịta ma na-eme ihe ndị ọzọ dị iche iche. Asụsụ Igbo pụrụ iche n'ihi na e nweghị asụsụ ọzọ dị n'ụwa ya na asụsụ Igbo nwere otu ụdị njirimara kpọmkwem. Akidi (2012:217) na Ugoh (1999/2000:14) n'Akidi (2015:102) mere ka o doo ewu na ọkụkọ anya "na asụsụ Igbo dị ka "dike" kwuuru onwe ya. Asụsụ Igbo, dịka onyinye Chineke nyere ndị Igbo niile kwesịrị ka ndị Igbo niile na-enye ya nkwado pụrụ iche, site n'imu, igu, ide na iji ya eme ihe niile mmadụ ji asụsụ eme n'ụwa". Asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị ọzọ a ma ama n'ụwa nwere olundị na olu izugbe. Olundị ma Igbo izugbe nwere usoro nhazị dịka nghọta na omenaala siri nabata. Iji maa atụ n'Igbo izugbe, mgbochiume abụọ anaghị anọkọ ọnụ n'otu okwu. Ebe mgbochiume abụọ nwere ike ịnọkọ bụ mgbe otu na-arụ ọrụ dịka myiriudaume na mgbe ọ bụ mgbochiume mkpi, ụdaume abụọ nwere ike ịnọkọ ọnụ n'otu okwu n'ihi na ọ bụ ụdaume na-ewepụta ụda n'asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na mgbochiume abụọ na-arụ ọrụ dị ka mgbochiume nọkọọ ọnụ n'otu okwu, ụda ha agaghị apụta nke ọma. Okwu ahụ agaghị ekwe ọkpụkpọ nke o ji enwe nghọta.

Omenaala, dịka otu n'ime ụzọ ndụ ndị Igbo. Ejiofor (1984:20) kọwara na omenaala bụ usoro mba ọbụla si ebi ndụ ha. Kanu na Nwosu (1990) na Nebolisa (2020:20) kọwara omenaala dịka usoro ibi ndụ ndị mmadụ. Usoro obibi ndụ ahụ metụtara ma ihe ọma ma ihe ọjọọ. Omenaala bụ iwu ndị a tụrụ anya na onye ọbụla ga na-edobe.

Agụmagụ na asụsụ dịka akanri na akaekpe, o nweghị nke a ga-ekewepụ n'ebe ibe dị. Asụsụ metụtara ihe dum na-eme na ndụ. E wezuga asụsụ, agaghị enwe mmekọrịta ndị mmadụ na ibe ha. Nwankwere (2007.351) kwuru n'Ezechukwu (2014.437) "asụsụ bụ ngwa ọrụ na-eme ka ndị mmadụ na-ebikọ ọnụ". O kwukwara na asụsụ na-eme ka a mata etu ndị si hazie ọnọdụ ha ka ha na-ebi n'udo. Agụmagụ ederede dịka Uzochukwu (2012.) "bụ ederede maọbụ ekwurekwu e jiri asụsụ chọọ mma mma nke na-enye onye gụrụ ya maọbụ nụrụ ya obi aṅụrị pụrụ iche". Nke a pụtara na ọ bụ asụsụ ka e ji edetu maọbụ na-agụpụta agụmagụ. Fowler (1971.11) kwuru n' Onigbo (2011.73), "ịmata asụsụ nke ọma na-enyere nwata akwụkwọ ọbụla na-amụ agụmagụ aka, ọ kachasi mgbe a na-eme ntụcha agụmagụ iji ịmata ka odee siri jiri asụsụ rụọ ọrụ n'edemede ya. N'aka nke ozo, ọ bụ site n'agumagu ka asụsụ si eto ma na-abawanye. Onyekaonwu (2008.122) kwadoro nke a mgbe o kwuru, "n'agbanyeghị na ndị odee dịka Achebe, Echeruo, Nwampa, Ike, Munoye, Nzekwu wdg. webatara omenaala na nkwenye ndị Igbo n'akwụkwọ agụmagụ ha, mana a gaghị ewere ha dịka ndị odee agụmagụ Igbo n'ihi na ha ejighị asụsụ lgbo wee detuo agụmagụ ha kama ha depụtara akwụkwọ agụmagụ ha n' asụsụ Bekee. Nke a pụtara na e wezuga agụmagụ, asụsụ Igbo gaara abụrụ ihe nwụrụlarị kemgbe. Ekele dịrị ndị dịka Ogbalu, Ubesie, Onyekaonwu, Nwadike, Mmaduekwe, Ugonna, wdg. bụ ndị hooro ntutu taa iji hu na e nwere akwụkwọ agụmagụ Igbo maka nchekwa na mbawanye nke asụsụ Igbo.

Agụmagụ so na mpaghara dị n'omenaala Igbo. A na-e site n'agụmagụ ihe dịka n'akụkọ ifo, egwu na abụ ọdịnaala Igbo na ejije dị iche iche were ezipụta omenaala na nkwenye ndị Igbo. Ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ ziputara omenaala na nkwenye ndị Igbo n'ebe ọ dị ukwuu. Okodo (2012:95-100) kwuru na ọtụtụ omenaala na nkewenye ndị Igbo dị n'akwụkwọ *Ọjaadili,* ha gụnyere; egwu, akụkọ ala, akụkọ okike, agọmọfọ, nkwenye ndị Igbo gbasara ndị mmụọ, wdg. Onyekaọnwụ (1985) ziputara omenaala Igbo n'akwụkwọ ya *Nwata Rie Awọ* mgbe o gosiri na ndị nwere otu ọbara anaghị alụ di na nwunye .

Na a na-ahanye omenaala n'aka ụmụ ụmụ, bụ agụmagụ. Agụmagụ bụ uzọ kacha mma iji chekwa asụsụ na omenaala Igbo ka o wee bụrụ nwa nwa tota o tokwuru.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ nchocha a, bụ atụtụ Vygotsky (*Vygotsky theory of learning*). Atụtụ a malitere n'afọ 1920 na mba Russia. Onye tụputara atụtụ a bụ Lev. S. Vygotsky. Vygotsky kwuru na ụzọ nke mbụ ụmụaka si amụta ihe a na-akụziri ha bụ site n' ile ndị okenye anya, ma mee ihe ndị ahụ ha hụrụ ndị okenye ka ha na-eme.

Ndị okenye gụnyere ndị nkụzi, nne na nna wdg. N'ịgbaso atụtụ Vygotsky wee kụzie asụsụ na omenaala Igbo site n'agụmagụ, onye nkụzi ga na-asụ Igbo na klasị were asụsụ Igbo na-eme ihe nke gụnyere ịjụ asụsụ, ịsa ajụjụ wdg. Nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ lee onyenkụzi anya ma jiri asụsụ Igbo na-eme ihe ọbụla ha na-eme.

O kwukwara na nkụzi omenaala nwere nnukwu ọrụ ọ na-arụ na ndụ ụmụaka mgbe ha na-etọ etọ, ọ kacha n'ebe ikwu okwu na iche echiche dị. Vygotsky kọwara ọkpụrụkpụ ihe atọ na-eme na ndụ ụmụaka mgbe a na-akụziri ha omenaala, ha gụnyere inwe ezi ọgụgụ isi (*cognitive*). Nke a bụ mgbe nwata na-eji ọgụgụ ya tụpụta alo ga-abara ya onwe ya uru nakwa ọhanaeze. Nke abụọ bụ ime ihe, ọ pụtara idi uchu. N'ebe a, nwata na -eji aka ya mee ihe n'atụwaghị anya ka ndị ọzọ bịa nyere ya aka. Nke atọ bụ inwe ezi mmekọrịta nke mmadụ n'ibe ya (*socio-cultural*). Na nkụzi omenaala, ụmụaka na-amụta ka mmadụ na ibe ya si ebi n'udo ma na-enwe ezi mmekọrịta n' obodo. Atụtụ a dabara adaba iji mee nchọcha a n'ihi na ọ kwadoro nkụzi agụmagụ, asụsụ na omenaala Igbo ma

n'ụlọakwụkwọ ma n'ezinaụlọ ka nwatakịrị nwee ike iche echiche dịka onye nwere ọgụgụ isi, ma matakwa mkpa ọ dị mmadụ ibi n' udo n'obodo o bi na ya.

**Uru Nkụzi na Ọmụmụ Agụmagụ Bara na Nkwalite Asụsụ na Omenaala Igbo**

Isi ihe e ji maka ya akụzi agụmagụ bụ maka ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo. Ihe niile e dere maọbụ kwuo n' agụmagụ bụ asụsụ ka odee jiri kwuo ma depụta ha. Usoro nke odee agụmagụ gbasoro wee dee maọbụ kwuo ihe o kwuru bụ n'usoro omenaala. Odee agụmagụ na-esite n'agụmagụ kwuo ma egosipụta omenaala ndị Igbo; ya bụ ihe ha na-asọ na ihe na-amasi ha. Nwadike (1990:37)kwuru na "uru ọmụmụ na nkụzi agụmagụ bara n'ịkwalite asụsụ n'omenaala gụnyere; site n'ọmụmụ agụmagụ, ụmụakwụkwọ na-ahụ na-aghọta usoro na ọdịdị dị n'asụsụ Igbo. Ọmụmụ agụmagụ na-eme ka akpaokwu ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo bawanyekwụọ. Agụmagụ ga-enye aka ka ụmụakwụkwọ na-asụ Igbo dị ụtọ, ịmụta nkaokwu nakwa inwe ike ịgụ ihe niile e dere n'asụsụ Igbo". Nke a pụtara na site n'ọmụmụ agụmagụ, na ụmụaka na-abụ ndị na-eche echiche n'asụsụ Igbo ma nwekwaa mkpebi n'asụsụ Igbo. Ọ na-enyekwa aka ka ụmụaka na-akpọpụta okwu e dere n'asụsụ Igbo nke ọma. Ọ dịmkpa na a ga-akụziri ụmụaka agụmagụ ka ha site na ya mụta omenaala Igbo.
Agụmagụ na-eme ka ụmụakwụkwọ site n'oge gosipụtawa onwe ha, ma nweta mkpalite nke mmụọ iji bụrụ ndị odee agụmagụ na ndị ntụcha agụmagụ n' ọdịnihu. Mgbe a na-atụcha agụmagụ, ọ bụ asụsụ odee jiri dee ka a na-atụcha iji chọpụta n'ụdị ọ di, ka ọ dị mma, ka ọ dị njọ. Udechukwu (2014 :203) kwuru na "asụsụ dị nnukwu mkpa n'ebe ikwu na ide ihe dị, na ọtụtụ mmadụ maara iji asụsụ kwu okwu mana ọ bụghị mmadụ niile maara iji asụsụ dee ihe, ya bụ iji asụsụ rụọ ọrụ". Nke a kpatara na Onyekaonwu (2008) kwuru na ndị odee dịka Achebe, Nwapa wdg bụ ndị a gụnyeghị na ndị odee agụmagụ Igbo n'ihi na ha edeghị agụmagụ ha n'asụsụ Igbo''. N'agbanyeghị na ndị odee ndị a zipụtara echiche ndị Igbo n'agụmagụ, kama na ha ejighị asụsụ Igbo wee rụọ ọrụ.

**Ihe Butere Enweghị Mmasi nke Ụmụakwụkwọ n'Ebe Asụsụ na Omenaala Igbo Dị**

Ọtụtụ ihe butere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị n'ebe asụsụ na omenala dị. Ihe ndị a gunyere:

**Asụghị Igbo n'Ezinaụlọ ndị Igbo**

Ọtụtụ ndị Igbo gụrụ akwụkwọ anaghị asụ Igbo n'ezinaulọ ha, ebe ha na-ahụ onwe ha dịka ndị meperela anya maọbụ ndị Bekee. Ụfọdụ na-aga n'ihu magide ịsụ Igbo iwụ n'ụlọ ha, n'ajụghị onwe ha etu omume ha ga-esi metụta agamnihu nke asụsụ ala nna ha. Ezinaụlọ bụ ebe kacha mkpa n'ichekwa asụsụ ọbụla. Fishman (1972) kwuru n'Ohiri-Aniche (2008:155) "na mba Amerika, asụsụ ndị si na mpaghara ụwa dị iche iche bịa biri n'Amerika, (ya bụ ndi mbịambịa) na-anwụ n'agbụrụ abụọ n'ihi na ndị ezinaụlọ anaghị enyefega asụsụ ala ha n'aka ụmụ ha.

**Ndị Nkụzi**

Akamgba ọzọ chere asụsụ na omenaala Igbo bụ enweghị ndị nkụzi bụrụ ibụ na-akụzi Igbo. Ọtụtụ na-akụzi Igbo agụghị Igbo, ha amaghịkwa ede Igbo nke ọma. Mgbe ụfọdụ ha na-azụpụta ndị dị ka ha, n'ihi na ọ bụ ihe mmadụ nwere ka ọ na-enye. Mmadụ anaghị enye ihe o nweghị. Onye nkụzi kwesịrị ikuzite na idete Igbo etu o kwesịrị. Anozie (1999:37) n'Akidi (2015:106) kwuru na "ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ọmụmụ asụsụ kwenyere na o nweghi usoro nkụzi asụsụ ka ibe ya mma nke etu ahụ, mana ezigbo onye nkụzi Igbo kwesịrị ịgbaso usoro dabara adaba iji mee ka ụmụakwụkwọ ghọta nke ọma na asụsụ Igbo na-atọ utọ ma zuo oke ka asụsụ ndị ọzọ.

**Asụsụ Igbo na Aha ndị Igbo na-Aza**

Ihe a na-ahụ ugbu a bụ ndị Igbo iji aka ha emebisi ezi aha ha ebe ha na-achọ ka aha ha dịka nke ndị Bekee. Onye na-aza Ikechukwu ga-asị ka a kpọwazie ya IK maọbụ Iyke. Etu a ka ọ dịkwa n'ọtụtụ aha lgbo ndị ọzọ dịka e si depụta ha ebe a. Ahamefula (2013:148) nyere ọmụmaatụ ndị a:

| EZI AHA IGBO | NGWAKỌRITA AHA IGBO NA BEKEE |
|---|---|
| Chwukwuemeka | Chuks, Emmy, Mekus |
| Obinna | Ọbaino |
| Akachukwu | Aka God |
| Chiọma | Chayọma, ChyChy |

**Gọọmenti**

Ndị gọọmenti kwesịrị ịgba mbọ hụ na iwu ha tiri gbasara iji olu nne na-akụziri ụmụakwụkwọ ọtakara were ruo na sekọndịrị nke nta ihe ọmụmụ tupu asụsụ Bekee mịtara ezi mkpụrụ. Ojieh na Ikeji (2011:96) kwuru na "ọtụtụ ụlọakwụkwọ ka na-eji asụsụ Bekee eme ihe ọmụmụ niile n'enyeghị ohere maka asụsụ Igbo". Ọzọ, gọọmenti kwesịrị iwepụta agụmakwụkwọ n'efu nye onye ọbụla chọrọ ịgụ Igbo, nke a ga-eme ka ọtụtụ mmadụ nwee mmasi n'ịgụ Igbo. Ndị nkụzi agụmagụ, asụsụ na omenaala kwesịrị ka e tie ha aka n'obi site n'oge ruo n'oge iji mee ka ha tinyewanye uchu na nkụzi ha maka ọ dị mma nke asụsụ na omenaala Igbo.

**Ihe Ọjọọ na-Esote e Jighị Asụsụ Igbo Akuzi Ihe n'Ụlọakwụkwọ**

Ọtụtụ ihe ọjọọ na-apụta n'ihi e jighị asụsụ Igbo akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ gụnyere:

**Ileghara Asụsụ Igbo Anya**

Ọ na-agba anyammiri na ọtụtụ ndị Igbo na-agụnye asụsụ Igbo dịka asụsụ abaghị uru ọbụla.
Ha aghọtaghị na agwa nledanya a na-eleda asụsụ na omenaala Igbo, bụ ya kpatara ndị agbụrụ ọzọ na Naịjirịa na mba ụwa, ji na-ebudata NdịIgbo site n'ọnọdụ dị elu ha nọbu na ya. N'iji maa atụ, Guardian nuzpepa( April 24, 2005 page l) kwuru n'Ohiri-Aniche(2008:156) "Ndilgbo, tinyekwara ọtụtụ mmadụ ndị ọzọ na Naịjiria na na mba ụwa, tiri oke mkpu mgbe a hapụrụ itinye asụsụ Igbo dịka otu n'ime asụsụ (*National language*) atọ e nwere na Naịjiria. O kwuru na ebe nke a mere bụ n'edemede nke otu ọgbakọ zigaara gọọmenti Naịjiria, maka inyochaghari ọchịchị Naịjiria (*National political Reform conference*). Ọ bụ ezie na ndị gọọmenti bịara gọọ agụgọ na o nweghị oge ha jiri wepu asụsụ Igbo". Ihe a mere kwesịrị ịgwa Ndịigbo na asụsụ ha nwere ihe iyi egwu ndị gbara ya okirikiri. Ya bụ, ka e kwusie ike ebe a, na asụsụ na omenaala Igbo dị oke mkpa n'iji mara ndị bụ ndị Igbo, nakwa njikọta dịka otu agbụrụ kwụsiri ike. Echetabih (2014:414) kwuru na "nleghara anya e leghaara asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ ma n'ezinaụlọ n'ala Igbo bụ ihe butere ajọ akparamagwa jiri baa ụba n'ala anyi. lhe ọjọọ a na-achịpụta ụmụ kwa ụbọchi, nke kpatara na ọ dighi onye chọrọ ịma ihe ọbụla chi fotere". Nke a pụtara na arụrụala juru n'ala Igbo na Naịjiria taa bụ n'ihi nleghara anya nke ndị Igbo leghaara asụsụ na omenaala ha.

**Usoro A ga-Esi Kwalite Asụsụ na Omenaala Igbo site na Nkụzi na Ọmụmụ Agụmagụ n'Ogo Dị iche iche nke Mmụta**

A bịa n'ogo mmụta nke ọtakara, a ga-eji ukwe dị n'abụ ederede kụziri ụmụaka asụsụ na omenaala Igbo. Otu ụzọ dị mfe e ji akụziri ụmụaka asụsụ bụ site n'ukwe. Nke a bụ n'ihi na akụkụ ahụ ndị e ji ekwu okwu na-etojupụta site na mgbe a na-ekwe ukwe. Sitekwa n'ukwe, ụmụaka na-amụta okwu ngwangwa, bịa dị njikere maka ịbụ abụ ọbụla. Awoniyi(1982:103) kwuru "na ihe ọmụmụ ọbụla a kụziiri ụmụaka n'ụzọ abụ, na-adị ụmụaka n'isi ogologo ndụ ha niile". N'ebe a, onye nkụzi ga-etinye Abidii Igbo n'ụdị abụ iji mee ka ụmụaka mmụta ya ngwangwa. A ga na-agụrụ ụmụaka egwu dịka;

onye na-akọ ede
ede mara mma ọkịkọ

Ụdị abụ a, bụ ka ụmụaka mata nkwenye ndị Igbo gbasara ịdị uchu. N'ebe a, onyenkụzi ga-etinyekwara ụmụaka ndị nọ n'ogo mmụta a ihe onyonyo *fiim* na-egosi ebe e ji abụ Igbo akụzi nkụzi, n'ebe a na-agụ akwụkwọ Igbo dị iche iche. Nke a ga-eme ka ụmụaka nọ ogo mmụta a, site na nwata nwee mmasị n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo.
N'ogo praịmarị na ogo sekọndiri nke nta, a ga-eji akụkọ a gụtara n'akwụkwọ agụmagụ, akụziri ụmụaka asụsụ na omenaala Igbo. Ụmụaka bụ ndị akụkọ na-atọkari ụtọ. N'ihi nke a, a ga-esite n'akụkọ kụziere ha nkaokwu. Nwadike (1990:18-19) kwuru na "na mbido akụkọ ga-adị nkenke, ka

oge na-aga, ụmụaka a na-etowanye n'ogo na n'amamihe, ogologo akụkọ abatawa. A ga-agba mbọ hụ na nwata ọbụla gbaliri n'ịkọ akụkọ ihe ọ ghọtara n'akwụkwọ agụmagụ a gụrụ. Onye kọọ nke ya, n'agbanyeghị ma ọ dị njọ, a ga a kụrụ ya aka iji kwalite mmụọ ha. Ọzọkwa, a ga-esitekwa n'ilu, agwụgwa na okwuntuhi akụziri ụmụaka nọ n'ogo mmụta a asụsụ Igbo. Ụzọ ihe atọ ndị a na-akpa nnukwu ike n'ebe nzulite ụmụaka n'asụsụ dị. Site n'ịchọta azịza dị n'agwụgwa, ụmụaka na-enwe ike too na nkaokwu, ya na n'iche echiche dị elu. Site n'okwuntabiire (okwuntuhi), ụmụaka na-amụta ụdaokwu ndị yiri ibe ha, nhazị ụdaume na mgbochiume na ịkpọpụta okwu nke ọma. Okoro (2011:1) kwadoro nke a mgbe o kwuru na "ụmụaka ịmụta ụdaume na mgbochiume Igbo dị mkpa n'ihi na ọ bụ na ha ka okwu Igbo niile mebere". N'ogo mmụta a, a ga-amụ nsupe site isupe ọkpụrụkpọ okwu dị n'akwụkwọ agụmagụ agụrụla.

A bịa n'ogo sekọndịrị nke ukwu, a ga-agụ ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ, ma mee nsupe ọkpọrụkpụ okwu dị n' akwụkwọ agụmagụ ndị a gụrụla. A na-emekwa nnyocha agụmagụ n'ogo mmụta a.
N'ogo mmụta mahadum, e ji agụmagụ akwalite asụsụ na omenaala Igbo site n'imepụta agụmagụ ederede n'elu kwago. N'ụzọ dị etu a, ụmụakwụkwọ na-amata omenaala Igbo niile; ya bụ ihe na-amasị ndị Igbo na ihe ha na-asọ nsọ. N'ogo mmụta a, a na-atụcha agụmagụ. Ekwealor(2012:43) kwuru na "onye ntụcha agụmagụ na-egosipụta ụfọdụ ihe gbasara obibi ndụ ọhanaeze maọbụ omenaala odee rụtụrụ aka n'akwụkwọ ya". Site n'ime ntụcha agụmagụ, iji chọpụta ka odee siri gbalitadobe n'iji asụsụ lgbo dee ihe o dere. A na-eme nke a site n'inyocha akanka ndị odee dị iche iche. A ga-eleba anya n'asụsụ odee jiri dee akụkọ, ejije na abụ, ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. A na-elebakwa anya n'atụmatụokwu ndị o webatara. A ga-achọpụtakwa ihe ndị odee dehiere edehie. Mkpebi ọbụla nke onye ntụcha agụmagụ mere, ga-enyere odee aka ide asụsụ Igbo nwere ezi nsupe oge ọ ga-ebipụtagharị akwụkwọ agụmagụ ya. A na-enyocha akwụkwọ agụmagụ dị iche iche ma choputa omenaala na nkwenye ndị Igbo dịka odee siri zipụta ha n'akwụkwọ agụmagụ o dere.

**Ntụziaka**
N'ime ka asụsụ Igbo too ma nwee ugwu na nsọpụrụ etu o kwesịrị n'ala Igbo na mba ụwa, a tụrụ aro ndị a:

- Asụsụ na omenaala bụ ejirimara ndị, o kwesịrị na a ga-echekwa omenaala na asụsụ Igbo site na nkụzi na ọmụmụ agụmagụ.
- Ndị nne na nna ga na-agba mbọ na-asụ asụsụ Igbo n'ezinaụlọ ha.
- Ndi isi ụlọakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ nke gọọmenti nwe na ndị isi ụlọakwụkwọ nke abụghị nke gọọmenti ga-agba mbọ hụ na ọ bụ ndị nkụzi gụrụ Igbo na-akụzi asụsụ na omenaala Igbo.
- N'ogo ọtakara na ogo praịmarị, e nweghị akwụkwọ ọgụgụ n'asụsụ Igbo dịka ọ dị n' asụsụ Bekee na asụsụ Frenchi. Ndị ọkammụta dị iche iche ga-agba mbọ hụ na e depụtara ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ n'asụsụ Igbo iji kwalite ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo.
- Ndi goomenti ga-agba mbọ hụ na ntuziaka e nyere gbasara iji olunne na-akụzi ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ ọtakara na ogo praịmarị nke nta mịtara ezi mkpụrụ.
- Ọtụtụ mahadum bidoro ọhụụ n'ala Igbo enweghị ngalaba na-amụ asụsụ Igbo. Ha ga-agba mbọ nwee ya iji kwalite asụsụ na omenaala lgbo.

**Mmechi**
E nwere olile anya na ọ bụrụ na ezinaụlọ ndị Igbo, ndị gọọmenti, ndị nkụzi asụsụ Igbo, na ụmụafọ Igbo agbaa mbọ, na asụsụ Igbo ga-enwe ọnọdụ dị elu n'ogo asụsụ mba ụwa. O nweghị asụsụ ọzọ dị n'ụwa ka asụsụ Igbo mma. Asụsụ Igbo na-akpa agwa etu asụsụ Bekee na asụsụ Frenchi si akpa. A ga-aga ejikwa asụsụ na omenaala Igbo mee ihe niile ka asụsụ Bekee na Frenchi. Nkwalite na ọdịda nke asụsụ na omenaala Igbo bụ n'aka ndị Igbo niile ka ọ dị. Onye ọbụla bụ nwaafọ Igbo kwesịrị inye aka maka uto asụsụ na omenaala Igbo. Ndị Igbo niile ga-amata na onye kpọọ ọba ya mkpọkọrọ, agbataobi ewere ya kpowe ahịhịa; ya bụ ka anyị niile were asụsụ Igbo na omenaala Igbo kpọrọ ihe. Ọ bụrụ na ndị Igbo ekwe ka asụsụ na omenaala ha nwụọ, ọ bụkwa ihe ọghọm dịịrị ndị Igbo niile. Ọ bụrụkwa na asụsụ na omenaala Igbo abụrụ asụsụ mba ụwa, ọ bụrụ ihe ngala na uru nye ndị Igbo

niile. Ọ dị mkpa na a kwlitere asụsụ na omenaala Igbo site n'agụmagụ maka agamnihu, nchekwa na uto nke asụsụ na omenaala Igbo, nakwa maka ọdịmma nke ndị Igbo niile, maka na onye hapụ ihe o ji ama mma, mma ya arụọ.

**Edensibịa**


Awoniyi,T.A.(1972).*The Teaching of African Languages*.Ibadan:Nigerian press.

Ahamefula,N.O.(2013). "Kedu Oche ndi Bunyere Asụsụ Igbo". *Kpakpando Journal of Igbo Studies.* Igbo Department, Nnamdi Azikiwe University Awka.

Anozie,C.C.(1999). *Lingwistiki Sayensi Asụsụ*. Nsuka: Fulladu press.

Akidi,F.C.(2012). "Igbo Language and Its Characteristics". *Ọja International Journal of African and Asia Studies*, Unizik Awka.

Akidi,F.C.(2015). "Ụfọdụ Akamgba Chere Asụsụ Igbo". *A Festschrift Written In Honour of Late Professor Romanus Ezeuko.* In The Department Iinguistics Nnamdi Azikiwe University,Awka

Chinagorom,L.C.(2009)."Mfucha Asụsụ Igbo Ituche Nkiti". *Opike Journal Of Igbo Language and Culture.Vol.1.*Department of Nigerian Languages.Owerri: A.L.F.C.E

Echetabih, N.G.(2O14). "Agumagu Onu Igbo:Nleghara Anya na Olile Anya Ya". *Festschrift Written In Honour of Professor Onyekaonwu*. African and Commumeation Studies Department Nnamdi Azikiwe University Awka

Ekwealor,C.C. (2012).*Agụmagụ Ederede Lgbo n'ozuzuoke.* Enugu: Paschal press.

Ezechukwu, T. (2O14). "Ọnọdụ Ilu Igbo Dike Ngwaọrụ ndị Igbo Ji Akuzi Nkuz:. Goddy Onyekaonwu :Onye Nlere Anya Nye ndị Odee Ejije Igbo. *Festschrift Written In Honour of Professor Onyekaonwu*. African And Commumeation Studies Department Nnamdi Azikiwe University Awka

Fishman, J. (1972). *Language in Sociocultural Change Essays By Joshua A. Fishman Selected And Introduced* Anwan: Standford University Press.

Fowler, R. (1971). *The Languages of Literature*. London: Routledge Press

Guardian Newspapers (2005).''Our Hands Are Clean, Says Government''. The Guardian.Sunday,April 24,2005, frontpage.

Kalu,O.U. &Nwosu,H.N.(1990). *The Study Of African Culture In Reading In African Humanities*. Enugu: Fourth Dimensional Press.

Nebolisa. O.E. (2O15).*Ọmumu Agumagu Igbo*. Awka: Samomaso Press.

Nebolisa, O.E. (2O2O). *Nnyocha Omenaala na Agụmagụ. Arụ Na Nsọala.* Imo: K. C. Ventures

Nwankwere, A.U.N.(2OO7) *Igbo Proverbs: Implceation For Demoeracy in Nigeria Democracy* Odumegwu Ike(Ed.) Awka : Fab Press

Nwadike,I.U.(1993). *Nka na Usoro Nkuzi Igbo*. Onicha: Uchac Press.

Ohiri -Aniche, C.(2OO8) "Nnyefega Asụsụ Igbo n'AkaỤmụaka". *A Festschrift Written In Honour of Profersor Sam Uzochukwu* In The Department of Linguistics, African And Asian Studies, Universty Of Lagos.

Onigbo, (2O11). “Language, Literature and Development of Our Common Humanity”. *A festschrift Written In Honour of Dr Uzoezie.* In The Department of English and Literary Studies. Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Onyekaonwu. G.O.(2008). “Emenyeonu, Concept Of Igbo Novel : A Critical Reappraisal”. *Udezuluigbo. A festschrift Written In Honour of Professor Sam Uzochukwu* In The Depertment of Linguistic, African And Asian Studies. University Of Lagos.

Olekaibe, C.C.(2015). Nrọ Dika Mgbanwe n’Ejije Ịgbo Ụfọdụ, *Obidiya, Nwata Bulie Nna Ya Elu* Na *Ogbu Mmadụ Ndu Na-Agu*. ”.A Festschrift Written In Honour of Late Professor Romanus Ezeuko In The Department of Iinguistics Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Onyekaonwu, G.O.(1980). *Nwata Rie Awo*:Onicha: University Press.

Okodo, I.(2012).”Ọnọdụ Agụmagụ Ọnụ n’Ọjaadili”. *Journal Of Africa And Asian Studies* Nnamdi Azikiwe University, Awka

Okoro, L.C.(2011*).Mkpanka Onyenkụzi*. Owerri: Ark press
Ojieh, M. &Ikeji, F.(2011). ”Nigeria National Language:A Mirage Or A Reality”. *Madonna Journal of Enugu and Literary Studies*, Madonna University, Okija.

Udechukwu G.I.(2OI4). “Goddy Onyekaonwu :Onye Nlere Anya Nye Ndị Odee Ejije Igbo. *Festschrift Written In Honour of Professor Onyekaonwu.* African and Commumeation Studies Department Nnamdi Azikiwe University, Awka

Uzochukwu, S. (2O12). *Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Imo: Orient Press.